IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Jekob Onye-nduhie



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: M. Maillot; Lazarus Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Kerr; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Chineke ezitela nwa n'ezinaụlọ gi? Lee ihe obi ụtọ dịka nke a! Ọ ga-abụrịrị na Aịsak na Ribeka ṅụrịrị nnukwu ọṅụ. Chineke gaje inye ha ejima.

Ụmụntakịrị ahụ gbara mgba n’ime afọ Ribeka. Mgbe o kpere ekpere, Chineke kwuru na ụmụ ya abụọ ahụ ga-edu mba abụọ dị iche iche - na nke nta ga-aka ukwuu. Ọtụtụ mgbe, ọkpara na-aka ukwuu. N'ikpeazụ, a mụpụtara ụmụ ọhụrụ ahụ.



Ejima ahụ eyighị onwe ha.  Isọ, bụ́ nwa nwoke nke tọrọ, nwere ntutu nke ukwuu ma too ghọọ onye na-achụ nta.  Akpụkpọ ahụ́ nke Jekọb dị ezigbo mma, ọ na-amasịkwa ya ịdị na-arụ ọrụ n'ụlọ.  Aịsak hụrụ Isọ n’anya nke ukwuu.  Nne ha hụkarịkwara Jekọb n’anya.



Otu ụbọchị, agụụ jidere Isọ.  Ọ si Jekob, “Nyem nri.”  Jekob wee si, “Renye m ọnọdụ-ọkpara-gị.” Isọ echebaraghị nkwa Chineke kwere ọkpara echiche.



Ya na Jekọb wee mee nkwekọrịta ahụ. Ugbua, Jekọb ga-abụ onyeisi ezinụlọ mgbe nna ha nwụrụ.

Chineke gwara Aịsak okwu n’otu abalị.  “Mụ onwem bu Chineke nke nna-gị Abraham: Mụ onwem nanọnyere gị: M'ga-agọzikwa mkpụrụ-gị.”  Ọ bụ ezie na Aịsak na-efe Chineke, Isọ nwa ya lụrụ ụmụ nwaanyị abụọ sitere na ndị Het, bụ́ ndị na-ejighị Chineke kpọrọ ihe.





Aịsak wee ghọọ agadi. "Ọ sị Isọ," Biko, wetaram anụ dị ọhụụ. "Mgbe ahụ, m ga-agọzi gị." Ngọzi pụrụ iche a sitere n'aka nna ruo n'ọkpara. Isọ wee mee ngwa ngwa ịchụ nta. Ma Rebeka anụwori ihe nna ya kwuru. Ọ chọrọ ka a gọzie Jekọb.



Rebeka n’onwe ya nwere atụmatụ. O rue, na o mere ngwa ngwa siri nri nke Aịsak hụrụ n'anya, ma Jekob wee yikwasị uwe nke Isọ, tinyekwa ajị akpụkpọ anụ n'aka na n’olu ya. Aịsak ahụghịkwa ya nke ọma. Ikekwe, ha nwere ike ịghọgbu ya.

Jekob wee butere Aịsak ihe-oriri ahụ.  Aịsak wee sị, “Olu gị dịka nke Jekob, ma aka-gị dị ka nke Isọ.”  Mgbe o richara nri ahụ, Aịsak gọziri nwa nwoke ahụ gburu ikpere n’ala n’ihu ya.





Mgbe Jekọb gachara, Isọ bịakwutere Aịsak. “Nke a bụ nri gị,” ka o kwuru.  Aịsak maara na a ghọgbuola ya.  O tiri mkpu sị, “Enweghị m ike ịgbanwe ngọzi ahụ.”  Ọnụma juru Isọ obi.  O wee kpebie igbu Jekọb.



Rebeka wee nụ okwu ahụ Isọ kwuru. O wee si Jekọb, “Laa n'ụlọ nwanne nna-gị, rue mgbe nwanne gị ga-echezọ ihe i mere.” Aịsak wee kweta na Jekọb ga-achọ nwunye site n’ezinụlọ nne ya. Jekọb wee si n’ụlọ pụọ.

N’abalị ahụ, Jekọb kwụsịrị otu ebe ka o were nkume mere ohiri-isi wee hie ụra. Ikekwe, ọ nọ naanị ya, ikekwe, ụjọ ji ya. Ma ọ nọghị naanị ya. Chineke gwakwara ya okwu dị ebube na nrọ.





“ABỤ M CHINEKE NKE NNA NNA GỊ HA, ABRAHAM NA AỊSAK. ANỌNYERE M GỊ. M GA-ENYE GỊ ALA NKE A. SITE N'EZINỤLỌ GỊ KA A GA-AGỌZI EZINỤLỌ NIILE NKE ỤWA.” Mgbe Chineke kwuchara okwu ndi a, Jekọb biliri. Ụjọ tụkwara ya.

Nwanne nna Jekọb bụ́ Leban nabatara ya.  Jekob wee hụ Rechel nwa nwanne nna ya n'anya, wee fèe Leban arọ asaa ka o wee nwee ike lụọ ya.



Ma, n’abalị agbamakwụkwọ ahụ, Leban ghọgburu Jekọb.

“Nke a bụ Lia, ọ bụghị Rechel,” ka Jekọb kpesara.  “Ị ghọgburu m.”  Leban wee si, “Nwa-nwanyi nke-okenye kwesiri ibu uzọ lụọ di.  Ma ugbua, lụrụ Rechel, ma fèkwa m afọ asaa ọzọ.”  Jekob wee kwere.
Ma eleghi anya, o chetara aghughọ ya megide Aịsak na Isọ.



Jekob nwere umu-ndịkom iri na otù.  Ka ọtụtụ afọ gafere, ọ gụsiri ya agụụ ike ịkpọghachi ezinụlọ ya na Kenan.  Nne na nna ya nọ ebe ahụ.



Ma otú ahụ, Isọ nọkwa ebe ahụ, bụ́ onye ṅụrụla iyi igbu ya.  Ọ dị mma ya igaba ebe ahụ?  Otu ụbọchị, Chineke gwara ya ka ọ lọghachi.  Jekọb kpọkọtara ezinụlọ ya na ìgwè atụrụ ya ka ha lawa.



Ụdi njem nke a. Isọ ji narị ndị
ikom anọ bịa izute Jekọb!
Ma o merụghị Jekọb ahụ.
Ọ gbara ọsọ gaa izute
Jekọb, makụọ ya nke
ukwuu. Jekọb na Isọ
bụrụkwa enyi ọzọ, Jekọb
wee laruokwa ụlọ n'udo.



Jekob Onye-nduhie

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Jenesis Isi nke iri abụọ na ise rue
nke iri atọ na atọ 25-33

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.